# IGBO EFUOLA: THE EXTINCTION OF THE IGBO IN THE GLOBAL CONTEXT.

By
**Ugochi Happiness Ikonne (Ph.D)**
National Institute for Nigerian Languages (NINLAN)
Aba, Abia State, Nigeria
ikonneugo@yahoo.com
07067972992/08056434468

**Ụmị Edemede**
*Ihe ejiri mara obodo, agbụrụ ma ọ bụ mba ọ bụla bụ omenaala ha. Agbụrụ ọ bụla nwekwara omenaala dị iche iche, kama omenaala ndi pụtakachara ihe na-ebupụta agbụrụ ma ọ bụ mba bụ asụsụ ha, ejiji ma ọ bụ ekike ha nakwa ụdị aha ha-aza. Ọ bụ nke a mere agbụrụ ọ bụla kpọrọ onwe ha ndi ma ọ bụ mba ejighị asụsụ, ejiji nakwa aha ha egwu egwu. Ndi ọcha ghọtara ya otu a nke mere na agbụrụ ndi ọcha dị iche iche ekwebeghị ka ibe ha kpugide ha. Leenụ ndi China, India na obodo Arab dị iche iche. Malite n'asụsụ ruo na ekike na aha, ha pụtara ihe. Leenụkwa agbụrụ Britain na America, nke ha ruchara n'akwụkwọ ọkọwa okwu (Dictionary) ebe ha zọtachara nkọwa mkpụrụokwu ka Britain si ekwu na ka America si ekwu. A bịakwa n'obodo anyị Nigeria, e nwere agbụrụ dị iche iche mana e nwere nkwekọ na agbụrụ ndi pụtakachara ihe bụ Igbo, Awụsa na Yoruba. N'ime agbụrụ atọ ndi a, I lepụ anya, ị ga-ahụ ma ghọtakwa na ndi Awụsa (Hausa) na Yoruba ejighị ọkpụrụkpụ omenaala atọ ndi a akpọrọ aha egwu egwu. Ha na-asụ asụsụ ha ebe ọ bụla ha nọ. Ha na-aza aha ha otu o kwesịrị. Ha na-ejike dị ka eji mara ha mana ọdịghị otu a n'ebe ndi Igbo dị. Ajụjụ a bụrụ ọ bụ gịnị kpatara nke a? Edemede a ga-akọwami mkpa ọ dị ndi Igbo isepụta onwe ha na mmiri a na-eri ha site n'iji obi ha nabata ịbu ndi Igbo nakwa iji asụsụ Igbo, aha nakwa ejiji ndi Igbo mee ka nke a pụtara ọha na eze ihe. Ọ ga-akowakwa ọghọm dị iche iche na-eche anyị n'ihu ma ọ bụrụ na anyị ajụ ịza aha akpọrọ anyị.*

**Ọkpụrụkpụ ndi dị n'edemede a**: asụsụ Igbo, aha, ejiji/ekike na omenaala

**Abstract**
*Culture is a people's way of life, a mark of identity for a people. It comprises the people's language, naming system, mode of dress, food, dance, songs, architecture etc. every ethnic group has her distinctive culture. However, among the numerions cultural entities, language, mode of dress and names distinguish a people most prominently. Sequel to the above, many ethnic groups do not compromise their language, mode of dress and naming systems. It is apparently this consciousness that cause the Western ethnic nations to resist cultural domination and assimilation by sister nations. Little wonder nations like China, India and ofcourse the Arab nations are themselves in their language, dressing, names respectively to mention but a few. The highlight of the resistance to cultural domination and assimilation is the case of Britain and America where in dictionary listing of words, descriptions and pronouciations are provided in both American and British Englishes. In Nigeria in particular, many ethnic groups exist. This gives her the multilingual and multicultural status it bears. However, the the three major tribes are Hausa, Igbo and Yoruba. A closer view at these ethnic groups will reveal that while the Hausa and the Yoruba pay attention to their culture vis-à-vis language, dressing and names which reflect their identities in the global context, the Igbo do not. The question is why? This paper focused on the need to create Igbo consciousness among the Igbo that would possibly culminate in the practice of distinguishing*

*themselves in the global context via their language, dressing and by their names. It concludes with recommendations.*

**Key words:** *Igbo language, mode of dress, naming system and culture.*

## 1.0 Mmalite

Chineke kere ihe niile n'ụwa mere ka ihe niile o kere nwee njirimara. Ọ bụ ya mere na njirimara mmadụ dị iche na njirimara ụmụanụmanụ dị n'ọhịa, azụ dị na mmiri, ahịhịa na osisi dị n'ọhịa. A bịakwa na mmadụ, mmadụ dịkwa iche iche. Ndi ọcha yiri onwe ha ma nweekwa njirimara ha dị ka agbụrụ ha si dị. Ọ bụ ya mere onye China jiri dị iche n'onye India, onye America dị iche n'onye Arab. Otu akaahụkwa, onye Igbo dị iche n'onye Yoruba ma ọ bụ onye Fulani. Nke a bụ ọlu aka Chineke.

I gagodu na zuu, ị ga-ahụ na agụ dị iche n'odụm, enwe dị iche n'ele, eke dị iche n'ajụala na ụmụ agwọ ndi ọzọ. Azụ niile dị n'oke osimiri abụghị otu. Ụfọdụ nwere ahụ ogwu ogwu, ebe ibe ha dị mụrụ mụrụ. Ọzọkwa, ụkazị dị iche n'ụzịza, ụha, onugbu, ụgụ, ụtazi ma ha niile bụcha akwụkwọ nri. N'otu akaahụkwa, osisi ụgba abụghị osisi ọjị, ọjị abụghịkwa ụdara, ugiri dịkwa iche na oroma. Otu a ka Chineke siri chọọ ya.

Ihe ndi a niile Chineke kere nwechara ụzọ dị iche ha si ebi ndụ ha, eme mmekọrịta, amụba, nakwa usoro ha ji eme ọzụzụ ha. Ụfọdụ na-eyi akwa, ụfọdụ na-amụ nwa ha, ụfọdụ akụkụ na-esite na mkpụrụ amụba, ebe ibe ha na-esite n'osisi ha amuba. Ụfọdụ ka a na-eli n'ime ala tupu ha aghọọ ihe oriri, ebe ibe ha bụ ndi ana-akwụwa ọtọ tupu ha ewepụta nkpụrụ ha. Aka ọrụ Chineke ndi a nwechara ụzọ ha si eme mmekọrita ha na ibe ha. Ka ewu si eti mkpu, abụghị ka awọ na akịrị sị akwa akwa nke ha. Nke a pụtara na ihe niile ekere eke nwere omenaala ha ma ọ bụ njirimara ha. Mmadụ sokwa nwee njirimara na omenaala.

## 1.1 Nkọwa Omenaala

Omenaala bụ ụzọ ndi mmadụ si ebi ndụ ha; nke gụnyere akparamagwa ha, nri ha, ejiji/ekike, asụsụ, egwu ha, aha ha, ụdi ụlọ ha na-ebi, ụdị ezinụlọ ha na-enwe dgz. O nweghị ogbe, mba ma ọ bụ agbụrụ na-enweghị omenaala. Ọ bụ ya mere (Ejiofor 1984) jiri sị, 'a people without culture are considered inexistent themselves'. "Ndi, mba ma ọ bụ agbụrụ na-enweghị omenaala, anwụruola ala." (Ntụgharị bụ nkem)

Abịa n'ime ụwa taa ruokwa n'obodo anyị bụ Nigeria, e nwere ọtụtụ mba na agbụrụ dị iche iche. Na Nigeria, agbụrụ e nweghị ike igụtacha ọnụ ma ndi pụtachara ihe bụ Igbo, Awụsa na Yoruba. Agbụrụ niile ndi a ma ndi na-akpọtụghị aha nwechara otu ha si ebi ndụ ha, ya bụ omenaala ha. Ụfọdụ agbụrụ na-eme otu ihe ma ọ bụ karịa dara ụda iji wulite omenaala ha elu ma site na nke a bụrụ ndi a maara amara. A gafee emume dị iche iche nwere ike ịdapụta site n'oge ruo n'oge, omenaala ndi pụtakachara ịhe nke na-ebupụta, kwalite ma mee ka mba pụta ihe bụ aha, ejije/ekike na asụsụ ha. N'ebe a ka ndi Igbo nwere nsogbu. Ihe ndi ọzọ ji eme nganga ka anyị bụ ndi Igbo gwuru ala lie. Anyị ga-akọwa otu Igbo si na-efu site n'ileba anya ọnọdụ ndi Igbo dowere ọkpụrụkpụ omenaala atọ ndi a anyị kpọtụrụ aha.

**A. Aha Ndi Igbo:**

Mgbe Chukwu kesiri okike ya, o nyere Adam ike ịgụ ihe niile aha. Akwụkwọ nsọ sị na aha ọ bụla Adam nyere ihe ọ bụla ka ọ na-aza ruo taa. Ọnọdụ a abataghị ndi Igbo n'uche. Ilu ha bụ, "onye enyuwara, na enyugharị onwe ya". Na mgbe gboo, tụpụ ndi ọcha e buru ụka ha bịa Nigeria, ụdi aha ndi Igbo na-aza bụ Egwuọnwụ, ọnwụchekwa, Nweke, Nwokorie, Nwachukwu, Nwanyịmma, Nwaezimma, Nwannediya, Azụọgụ, Nwogu, Nwankwọ dgz. Aha ndi a nwechara mmetụta na ndụ ndi na-aza ha nakwa na ndụ ndi enyere ha. Ozugbo ndi ọcha butere ụka ha, ndi Igbo amata isi manye na ha. Ebe agbụrụ ndi ọzọ ji otu anya ele ndi ọcha na ihe ha ji, were otu ụkwụ guzoro, ndi Igbo abụrụ "ọ nụrụ buru anụghị zie". Ozugbo anyị natara Kristi, anyị anata "aha mmiri chukwu'. Ndi ọcha na ndi ụkọchukwu amalite ime ndi Igbo bụghị Igbo, bụghị bekee. I ga-ahụ onye Igbo na-agbajighị chọọku, aha ya abụrụ aha bekee; Bathelomew, Isaiah, Modecai, Nichodimus, Andrew, Cornelius, Jonah Job, Theophilus dgz.

Ndi emetụụrụ ebere, a gụọ ha John, Peter, Timothy, Simon, Mary, Maria, Ruth, Noami, Esther, Deborah, Rhoda dgz. Mgbe ahụ ka dịtụ mma n'ihi na ha nwere ike ịdị na-aza bathlomew Nwankwọ, Andrew Nkọrọ, Cornelius Azụọgụ, Maria Nweke, Esther Nwogu. Otu a ka ọ digidere rue ọtụtụ afọ. Mgbe ụka na ọzụzụ agụmakwụkwọ gwakọtaara ọnụ, ndi Igbo ebido natawa aha mmiri chukwu ndi dịtụ fere fere n'ọnụ, dịka Augustine, Clement, Patrick, Polycarp, Fortunatus, Eucharia, Augustus, Dominic. Ndi a bụ aha ndi Nsọ nwụrụ anwụ. Ndi nke a kwekwara odidi n'ihi na ị ga-anụ Clement Dimkpa, Eucharia Ụmụnnakwe, Dominic Anaba, Augustina Nkọrọ, Patricia Onwụnlịrị dgz.

Mana site n'ihe dị ka afọ 1980 ha rue taa, ka mgbe ifufe ụka ọlọrọọhụụ febatara Nigeria, wee rute ala Igbo ka ihe mebichara. Ugbu a ka achọpụtara na ihe mere ndi dị afọ iri anọ gbadawa ji anwụ n'ezinụlọ ha dị iche iche, meekwe ha amụtala nwa na enweghị ọganihu bụ aha nna ma ọ bụ nke nnanna ha na-aza. Ha echefuo na ndi zara aha ndi a ha na-akatọ ma na-agbanwekwa biri ndụ ha n'uju tupu ha anwụọ. Ugbu a, ndi Igbo na-agbanwezi aha aghara aghara. Ndi Igbo, gwanụ m otu anyị ga -esi ama onwe anyị ma ọ bụ otu mmadụ si amata anyị ebe anyị niile na-azazi, Gospel Praise, glory John, Ambless Johnson, Miracle Edmund, Francisca Peter, Crystabel Mark, Belinda Clement, Rose Peters, Patric Nobleman, Clinton Innocent dgz. Ka aga-asị na ọdachi ga-abịara anyị ma anyị zaa, ozioma, ebubechukwu, ọlụebube, chiagọziem. Ebe anyị zara aha Igbo, anyị ga-achọrịrị ụzọ a ga-esi mee ka ọ daghara ụda nke ga-ebute ịtọ ntị n'ala tụpụ amata na ọ bụ aha onye Igbo.

Gwanụ m ụmụnna a, ebee ka ahụrụ onye Awusa na-aza Clinton, Humphrey, Boniface, Praise, Loveday, Churchhill? Aha e jiri mara ha bụ Jumai, Aisha, Audu, Mohammed, Suleman. Ndi ogbo anyị ndi Yoruba ka jidesiri ike aha ha dịka, Bimbo, Omolade, Adebo, Adekunle, Adeniran, Tokumbo, Ajala, Sola, dgz. Ndi agbato obi anyị ndi mmọṅọ (Ibibio) ka na-aza, Essien, Etim, Udeme, Akpan, Ekaete, Etukufot dgz. Unu ahụla na Igbo efuola. Chetakwanụ na Igbo bụ Igbo gụrụ n'aha, 'Ahamefula'.

**B. Ejiji Ndi Igbo**

Nke a bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ omenaala anyị anyị na-ekwo ihu n'ala. Ebe ndi Awụsa ka na-eyi uwe mwụda ha ma n'eke ma n'orie nagbanyeghị ebe ha hụtara onwe ha, ndi Yoruba ejighị Iro na Buba egwu egwu, ọ bụ ndi Igbo ka ana-achọ achọ n'ọgbako o zuruọha ya na mmemme dị iche iche. I hụ ebe onye Igbo kpọrọ kootu, hazichaa Taị ya, ya adịka onye ọcha. Ha cheta Babaringa (1500) ma ọ bụ Iro na Buba, gị agụnyere ha ndi awụsa ma ọ bụ Yoruba. Mgbe m na-ele onyonyoo TV na nso nso a, we hụ n'ebe a na-eme ememe mgbape mmụgharị Nigeria (Inauguration of Nigeria

Rebirth), na imirikitimi mmadụ juru ebe ahụ naanị otu nwoke ka m hụrụ jikere ka onye Igbo, oyi jompa isiagụ ya, kpuru okpu uhie uhie ya. Ọ pụtara na ọ bụ sọ ya bụ onye Igbo bịara mmemme ahụ? Abịa na mmemme ncheta ọmụmụ mmadụ, nkupụ nwa, ịgụ aha, ịtụ mmamma dị iche iche, ọ bụ ụmụ nwaanyị ndi Igbo na-eyi uwe aka giriri, nke na-enweghị aka nakwa nke na-erughi n'ikpere. Nke ha jiri bụrụ bekee. Ebe ndi Awusa na Yoruba na-etinye aka n'igbe wepụta brokeed na leesi dị oke ọnụ ahịa ha kwara dị ka omenala ha sị dị. Otu ha si ejike ka ụmụ ha si ejike, otu anyị si ejike ka ụmụanyị ha sikwa ejike. Ndi Igbo mụọ nwa, otolitewe ha amalite yibe ya ụdị uwe ana-akpọ "ma mkpuru gba ọtọ". O tozie, ya ewere aka ya dọkakwuo nke oyi n'ahu. Ọ bụ ndi Igbo ka 'sagịn' pụtaara ụwa. Ọ bụkwa anyị ka ntụjawa isi ịkụ egwu na Igba boolụ dịịrị. Ị hụ onye Igbo na-akụ egwu ma ọ bụ nke na-agba bọọlụ, i meere ndi mụrụ ya ebere. Ndi agbụrụ ndi ọzọ na-akụkwa egwu, gbaa bọọlụ ma jikwata ejije e jiri mara agbụrụ ha.

Ọ bụ ọnọdụ a ka Ejifor lekatara anya we sị na "Ekike ma ọ bụ ejiji abụghị ihe diịrị ụmụnwaanyị dị ka ụfọdụ na-eche kama ọ bụ ngwaọrụ pụtara ihe e ji egosipụta ịhụnanya na nkwanye ugwu a na-kwanyere obodo, agbụrụ ma ọ bụ mba". Popoola (2000) we tụkwasị na "ejiji, dị ka okpukperechi na asụsụ dị iche iche na Nigeria bụ njirimara agbụrụ dị iche iche. Ekike bụ otu n'ime ụzọ esi amata ndi, agbụrụ, mba nakwa ogbe dị iche iche".

Ofomata (2012) kọwara ejiji dị ka "usoro mmadụ si akwado onwe ya ma ọ bụ dozie onwe ya n'udị ọchịchọ na nnabata nke agbụrụ ya. Ndi Igbo nwere ekike e jiri mara ha. Ma nwata, okenye, nwoke, nwaanyị, aghọghọbịa na okookporo ọ bụladị ndi Igbo chiri echichi".

A na-ekwu na oke gara ịkwa ézé alọtabeghị, ngwere nwanne ya a chịrị ego sowe ya. A na-ekwu na akwụkwọ ndi Igbo gụrụ e meela ha amakwaghị ekike ha, ndi ụka ọlọrọhụụ eburu abọ ha wuchie si onye emekwala ka onye Igbo. Ihe niile onye Igbo mere n'usoro omenaala bụcha árú n'anya ndi ụka ọlọrọọhụụ. Akwa niile ndi mmadụ zụchara kwaa amakpisa n'ime Igbe ebe ha na-achọ idịka ndi ọcha. Onye yiri jompa ma ọ bụ mara ukwu akwa abụọ, pasịtọ ebigbọ ya. O mechaa ya akaja ụbọchị ọzọ ya akpọọ kooti bịa,e kwee ya n'aka. N'ụfọdụ ụka, e wepụtara naanị otu ụbọchi ụka n'ime izu iri ise na abụọ dị n'afọ, eji eme ụka ndi Afrika bụkwanụ naanị ụbọchi a na-atụ anya na onye o bula ga-eyịrị uwe ma ọ bụ ekike ọdịnaala. Ugbu a, o nweghịzi onye na-ekweta na ọ mara ukwu akwa abụọ eke ebe ndi nwoke sịzị na jompa na-agba ha ajịrịja ma ọ bụ mee ahụ ha okpomọkụ.

Ndi nne na umu ha na-azọzị ọgọdọ bekee uzọ. Onye yiri pụtawa, ọ dọtuo nke ukwu asị na ọ bụ sagịn. ụmụ nwaanyị yiri uwe elu ma ọ bụ obelukwu na-ayọ ayọ nke ihe eji mara ya bụ a nọrọ ọdụ, ya akpulie elu, e kulie ọtọ adọdata ya. Asị na nke a bụ Yori Yori. A na-esizi n'akụkụ ụwa niile, ma na mọchụarị bụkọọ uwe jiinụ bịa wụsara ndi Nigeria maka na ọ na-adị ndi Igbo mma. O nweghịzi onye ma onye nne ma ọ bụ nwagbọghọ. Égbé na Égbè abụrụziela otu. Ọ bụrụ ahụ onye nne ma ọ bụ onye nna kere ekike otu o kwesịrị, e kelee ya n'ugwu (Daa/Dee maazi, mmamma, kaa). Ebe na-onwenughị onye kwere na ya bụ nne/nna, onye ọ bụla a narawa gudu mọnị. Ihe a na-emebikwu. Abịa n'ekike ma ọ bụ ejiji ndi Igbo, Igbo efuokwala o!

**Ch. Asụsụ Igbo**

Mgbe Chineke ghagburu asụsụ ụmụ mmadụ na Babel, (Tower of Babel), ejim n'aka na ihe ndi mmadụ jiri mara ndi ha na ha ga-agako bụ asụsụ. Ndi ọ bụla asụsụ ha na ibe ha makọrọ, abụrụla ụmụnne na ndi si n'otu agbụrụ ma eleghị anya. Ya bụ na njirimara mbụ Chineke nyere iji mata mmadụ, ogbe, obodo ma ọ bụ mba bụ asụsụ. Otu akaahụkwa, otu n'ime njirimara ndi Igbo bụ asụsụ

ha. Mgbe Ejiofor (2012) na-akowa asụsụ dịka ihe kachasi mkpa n'iịmara agbụrụ, ọ kọwara na ọ bụ ya mere ọtụtụ mgbe aha agbụrụ ji abụkarị aha asụsụ ha dị ka Ndi Awụsa na-asụ asụsụ Awụsa, ndi Yoruba na-asụ asụsụ Yoruba, Igbo na-asụ asụsụ Igbo dgz. "Ebe asụsụ na agbụrụ enweghị otu aha, ha abụọ na-eyi onwe ha ka nwanne na nwanne; dị ka England na English, France na French, Germany na German"

Ejiofor kọwakwuru asụsụ dị ka 'ụgbọala eji ebu omenaala na ọdịbendi agbụrụ." O sịrị na asụsụ bụ ndụ agbụrụ. Ejiofor mere ka nke a pụtachaa ihe mgbe ọ kowara otu ndi Germany na ndi Jew siri jikọtachaa onwe ha ọnụ bụrụkwa mba n'otu n'otu mgbe ọtụtụ afo gaferechara etisasiri ha. Na nkọwa ya, mgbe e meriri ndi Germany n'agha n'afọ 1945, kee ha ụzọ anọ ndi meriri ha ekporo otu otu, n'ihi na-ekeghị asụsụ ha, ha mechara jikọtakwa ọnụ bụrụ otu mba n'afọ 1989. Otu a kwa ka ndi Jew jikọtara onwe ha ọnụ bụrụkwa otu mba mgbe ọ gasịrị otụtụ afọ ha gbasasịrị n'ụwa niile binye na mba ndi ọzọ ka ọbia (1878-70 – 1948). Ihe mere ọnọdụ a jiri dịrị ndi Jew na ndi German mfe bụ na ha etufụghị asụsụ ha.

O nweghị obodo asụsụ ha kwụ chịm chịm taa na-alụghi ogụ asụsụ. Mgbe asụsụ Latin chọrọ ịkpagbu asụsụ French, ndi France gbara mbọ megide nke a. Taa asụsụ French eguzosiela ike ma mụbaa rute ala Nigeria nke na ọ ghọziela otu n'ime asụsụ gọọmenti Nigeria chọrọ iwuli elu n'obodo Nigeria. Iji mee ka ha zọta asụsụ ha mgbe asụsụ bekee bịara gbawa asụsụ French gburugburu, Gọọmentị France hiwere iwu n'afo 1975, na onye ọ bụla ga-ede ihe n'asụsụ French agaghị edenye okwu ọ bụla si n'asụsụ ọzọ karịa ma ọ nweghị ụzọ ọzọ aga-esi tụgharịa okwu ahụ n'asụsụ French (Ajunwa 2006). Ejiofor nyekwara ọmụmaatụ otu ndi swizaland jiri mee iwunjikọ ha we mapụta asụsụ anọ ha ga eji arụ ọrụ n'obodo ha ruekwe n'ọzụzụ n'ụlọ akwụkwọ, o wee debara ha. Ha bụkwa obodo bara ụba n'asụsụ dịka Nigeria. N'ime asụsụ anọ a ha mapụtara, o nweghi ndi na-ekwe ka elomie ha dị ka ndi Igbo si kwete ka bekee lomie ha.

I jụọ ndi Igbo ihe bụ mkpa ha ha jiri were bekee ete ofe werekwa ya na-echu ụmụnta bịara ụwa ọhụụ mmiri, ha asị gị na, asụsụ Igbo ezughị ezu, ọ bụ asụsụ ka a ga-eri? Isụ Igbo ga-emerụ ịsụ asụsụ bekee ahụ dgz. Amaghị ihe dị otu a atụtụrụla asụsụ Igbo kpuo ya ihu n'ala nke na o nweghịzị ihe ọ dị mma ya. A bia n'ụlọ akwụkwọ, o nweghị onye chọrọ iji ntị anụ Igbo ma ya fọdụ igụ ya agụ. Ụmụ Igbo bụcha dịokpa na 'Nollywood' na-emecha ejije ha na bekee, ị gaghị agawa hụta akwụkwọ ntaakụkọ e dere n'Igbo. I dée, onye ga-agụ? Ọgbakọ ụmụnna bụzi bekee ka eji edekọ ihe gbara na ya. Ụka ugbu a bụzi na bekee. Echichi a na-echi n'ụlọ ụka ndi Igbo esila na "Ezinne'/Ezinna baa siliva, goldin na Dayamọnd mother/father. Kedụ nke a ga-ekwu ghara ibe ya.

Ndi eze na ndi echiri echichi pụta n'oha ha a tụtụrụ bekee sụrisie ka o wee bụrụ na ha sokwa. Leenụ aka na-acịi agbụrụ Awusa na Yoruba ha. Lenụ Sanusi (Emir nke kano). Anyị ga-asị na ha agụghị akwụkwọ? Ha chọrọ ịgwa ọhanaeze okwu ebe mmadụ tụrụ ngwa, ha a suo asụsụ ha, onye ọzọ a na-anatara ha okwu. Anyị ka ha mma? Ma Ejiofor ma Ofomata, achọpụtala n'ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe dị ugbu a mere amamihe ndi ọkpụ na ụmụ azụrụ n'ime obodo jị karịa nke ụmụ ugbua azụrụ n'obodo mepere emepe. Amamihe ndi eji echekwa omenaala, ma nwee ezi akọnuche bụ ndi zoro onwe ha n'akụkọ ifo, ụkabụilu, ilu na akpalaokwu dị iche iche bụkwanụ ndi na-anaghị etinyere ọnụ n'ihi mmasị anyị nwere n'asụsụ bekee. Mgbe Ofomata na-akọwata otu asụsụ ji ebugharị omenaala si n'ọgbọ ruo n'ọgbọ, ọ sịrị na, "**ọ bụghị ka anyị si eme. Ndi be anyị anaghị eme otu ahụ. ọ bụghị ndụ anyị. Otu a ka anyị si eme ya. Lee otu o siri dị n'obodo anyị"** na-arụtụcha aka na omenaala mana ọ bụ site n'asụsụ ka a na-eme ka ihe ndi a pụta ihe. O bụrụ na asụsụ adighị,

nkọwa dị otu ahụ agaghị adị. Leenụ ihe a a na-akọ ya adịka akụkọ ifo. Ugbu a ofufu Igbo na-efu apụtawala ihe. Iji maatụ, n'eguruegwu ịgba bọọlụ ofere mba emere n'ama Egwuruegwu kano otụtụ afọ gara aga*,* enyere nkọwa (commentary) n'asụsụ bekee, Awụsa na Yoruba ma o nweghị onye jụrụ Igbo kwanụ? Ugbu a, ụlọọrụ mgbasa ọzị ụwa dị iche iche dị ka BBC, VOA, Redio France, Redio South Africa, Redio China, Redio Jamaica dgz na-akọcha akụkọ ụwa (News) n'asụsụ Yoruba na Awụsa ma o nweghị nke na-akọ n'asụsụ Igbo.

Ohiri- Aniche (2008) chọpụtakwara na ndi Fulbright Foundation dị na America bidoro nyewe ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ bekee na Mahadum dị na Nigeria skọlaship ịbịa biri n'America otu afọ, ka ha mụta asụsụ bekee nke ọma ma jiri ohere ahụ kụzie asụsụ olunne ha na America. Ndi ha na-enye bụ ndi nwere ike ịkụzi Awụsa na Yoruba. O dịghị nke enyere ndi Igbo. O nwere ụzọ ọzọ eji akọwa na Igbo efuola?

## 2.0 Mmechi:

Ụmụnna a, ihe ndi a anyị na-elehara anya adịghị mma. Ana-ekwu okwu sị na nwanne dị na mba. Olee otu onye Igbo ga-eji amata nwanne ya na mba ebe anyị na-anaghị asụ Igbo, anyị anaghị aza aha Igbo nke anyị ji ejike ka nd Igbo? Ọ bụkwa nne ewu na-ata ahịhịa nwa ya ana-ele ya anya. Ọ dịkwa mkpa na anyị bụ nne na nna ga-amagharị ụrọ sigharịa isi na agwa anyị na-akpasị omenaala Igbo tụmadị asụsụ Igbo, aha nakwa ekike ndi Igbo. Ọ bụrụ na-anyị agbanweghị omume anyị, ruo ọrụ anyị kwesịrị ịrụ n'ezinụụlo anyị ha nakwa n'obodo anyị ha, tutee mmụọ ndiigbo ka ọ dị n'uche ha na ha bụ Ndiigbo n'agbanyeghị ebe ha bi, tinyekwa uchu n'ịsụ na ichekwa asụsụ Igbo, n'ịza aha Igbo nakwa n'ike ekike ndi Igbo, Igbo ga-efu kpam kpam. Asị m Chineke ekwela.

## 2.1 Ntụpụta Ero/Ntụnye Uche

Gịnị ka a ga-eme ka ndi Igbo nwetaghachị ọnọdụ ha na mba ụwa dị ka ogbo/agbụrụ ha dị iche iche?

1. Ndi Igbo ga-amalite sụwa asụsụ Igbo n'ụlọ ha ha na ụmụ ha, n'ahịa, n'okporoụzọ, n'ụlọ ụka, n'ụlọ akwụkwọ na n'ebe niile dị iche iche.
2. Gọọmenti ha na-achị steeti ndi Igbo iwere otu obi tie iwu na ụmụakwụkwọ niile dị na kọleeji ma nke gọọmenti ma nke ndi nkịtị nwe ga-emerịrị Igbo. Otu a ka gọọment ndi na-achị steeti Rivers na steeti ndi Awụsa na ndi Yoruba ha tiri mgbe ha hụrụ na Gọọmenti ewepụla asụsụ Nigeria niile n'ọnọdụ ha nọbụ di ka sọbjektị nwata akwụkwọ na-ahaghị ịmụ ma lee ule na ya n'ogo seniọ sekọndịrị ( NPE 2013).
3. Otụtụ ụloakwụkwọ ọtaakaraa nakwa paramari ndi nkịtị na ndi ụka ọlọrọọhụụ nwe anaghị akụziri ụmụaka asụsụ Igbo. O bụ n'ogo a ka ha na-emebicha ụmụaka nke ndi nne na nna mebifọrọ. Gọọmenti kwesiri itinye iwu ikụzi asụsụ Igbo n'ụloakwụkwọ ndi a ma dịkwa na njikere imechi ụloakwụkwọ ọ bụla na-edebeghị iwu a.
4. Iti iwu ga-eme ka nwaafọ Igbo ọ bula ga-emeriri Igbo na kọleeji ma nwee ya akara kerediit tupu enye ya ohere agụmaakwụkwọ na mahadum ala anyị ha.
5. Itinye iwu na asụsụ Igbo ga-abụrịrị otu n'ime ihe ọmụmụ na-aghaghị ime ma gafee (compulsory/general course) na mahadum ọ bụla dị n'ala Igbo.
6. I malite idepụta ma mee ejije dị iche iche n'asụsụ Igbo dị ka ndi China na mba ndi ọzọ si eme n'asụsụ ha ma depụta ya n'asụsụ bekee.
7. Ikwalite omenaala Igbo n'ogo dị iche iche site n'itinye ememe dị iche iche nke ga-eme ka ụmụ Igbo kee ekike odinaala ndi Igbo.
8. Ime ka ndị ụka ọhụụ mata na amaala tọrọ chọọchị site na isi ọnwụ na-akwado ka ndi Igbo mgbe ha na-aga ụka na ọgbakọ ndi ọzọ.

9. Inye ụmụaka anyị aha Igbo na ịzasi aha Igbo anyị ike.
10. Ikwado ikụpụta egwu ụtọ dị iche iche n'asụsụ Igbo.
11. Ikwado nrepụ ahịa (advert) nke redio na TV n'asụsụ Igbo
12. Ime eguregwu dị iche iche, itụ ilu, akụkọ ifo, na egwu dị iche iche na TV nakwa na redio tinyekwa ịsọmpi nke ihe nrita so n'egwuregwu ndi a.
13. Idị na-eti ndi nkuzi, ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo na ndi gụcharala asụsụ Igbo aka n'obi site n'inye ha ihe nrita dị iche iche nakwa sụkọlaship.
14. Iti iwu onye sụọ ngiligbo n'ọgbakọ ndi Igbo, erie ya iwu.

**Edensibia**


Ajunwa, E. (2006). *Igbo virgin words: A panecea to Loan Abuse.* Nsukka.Igbo Studies Association.

Ejiofor, P. (1984). *Cultural Revival in Igbo Land*. Onitsha. University Publishing Company.

Ejiofor, P.(2012). *Ibeka ndi Igbo maka Asụsụ Igbo*. Enugu. Nolix Educational Publications (Nig).

Federal Republic of Nigeria, (2013). *National Policy on Education.* Lagos. NERDC. 13.

Ofomata, C. (2012). *Omenaala na Odinaala Ndi Igbo*. Enugu. Format Publishers (Nig) Ltd.

Ohiri-Aniche. C. (2008). *Annihilation of Ancestral Language as Human Rights Violation of the Igbo*. Washington. USA

Popoola, M. (2000). *where is Afria? A Cultural Saga from Denver to Lagos*. Lagos. Mace Books.